**MKPỌHIE NA NTAGHERI ỌNỤ ONYE ỤJỌ JI MGBE Ọ NA-EME NRỤRỊTA ỤKA (DEBATE)**

AHAMEFULA Ndụbụisi Ogbonna[1], ISIGUZO Nkasi Anastesia[2] na ỌNỤỌHA Joy Adaeze[3]
1 & 2 Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages, University of Nigeria.
3. Igbo Unit, Humanities, School of General Studies, University of Nigeria, Enugu Campus.
*Corresponding author: adaeze.onuoah@unn.edu.ng,

**Umịedemede**

Nchọcha a e mere bụ n'isiokwu bụ Mkpọhie na ntagheri ọnụ nke onye ụjọ ji na-atagheri mgbe ọ na-eme nrụrụtaụka. E mere ka a mata na jenda so n'ihe na-eme ka mmadụ na-enwe ntagheri ọnụ mgbe a na-ekwu okwu ọsọ ọsọ. Ndị na-eme nrụrịtaụka bụ ndị na-agbalị ịkwupụta ọkpụrụkpụ echiche ha ọsọ ọsọ ka ọ ga-abụ na ha ga-ekwuputacha ihe niile ha kwadoro tupu na oge e nyere ya ezuo. Ọ bụ mgbe ha na-eme nke a ka ha nwere ike ichefu otu ihe nke ga-eme ka ha nwee ntagheri ọnụ. E nwere udi nsogbu abụọ e nwere na nchọcha a. Nke mbụ bụ na a chọrọ imata ka ndị na-eme nrụrịtaụka si enwe ntagheri ọnụ. Nchọcha a ga-eme ka ndị nchọcha mata ihe ndị ha ga-eme ka wee belata nsogbu ntagheri ọnụ, ọ kachasị mgbe a na-eme nrụrịta ụka. N'inweta ihe a chọrọ, e jiri nkọwasị were chọpụtagasia ihe ndị a chọrọ. Ọ bụ ya ka e jiri kọwapụta njiatule. Ndị nchọcha kewasịrị njiatule ntagheri ọnụ dika Caroll (1986) siri mee ya.

**Ndubanye**

Ọ bụ n'ebe a ka anyị kọwapụtara ụfọdụ isiokwu gbara okpụrụkpụ banyere isiokwu a na-ede maka ya. Ọ bụkwa ebe a ka a kọwapụtara ihe ụfọdụ banyere ụfọdụ echiche yitewere udi nchọcha a. Ọ bụ a bụ ihe kpatara e jiri họrọ udi isiokwu a metutara udi nchọcha a nke ihe ndi dị nay a bụ nsogbu nchọcha e merela, mbu nuchue nchọcha na ihe ndi ọzọ bara uru a tụrụ any ana ndị ọzọ ga-eme udi nchọcha a ga-erite site na nchọcha a e merela.
A gosipịtara agụmagụ uru nchọcha , oke nchọcha, ntuleghari agụmagụ na ụfọdụ methodologies e jiri rụọ ọrụ

**Ntọala Nchọcha**

Mgba ọbụla a na-eme asọmp nrụrịtaụka, ọ na adị ka a na-amanye ndị na ekwupụtara otu ọbụla okwu na asọmpi ahụ amanye ka ha niile na-ekwuputa echiche ha ọsọ ọsọ. Onye ọbụla n'ime ha na-agbalị ka ọ hụ na ya kwupụtachara ebumnobi ya na echiche ndị ahụ o kwenyere na ọ bụ ha ka ọ ga-eji jalie ndị ngere n'ihe ndị ahụ ọ na-ekwu bụ nke kacha mma. A tụrụ anya na onye na-eme nrụrịtauka ga-ekwutecha ihe ndị o kwadobere iji kwado isiokwu ha na-eme mgbagha n'ime ya. Ihe kpatara nke a jiri dị oke mkpa bụ maka na ndị ọzọ ga-ekwu okwu wee kwado ma ọ bụ gbaghaa isiokwu a na-ekwu maka ya juru eju. Ọzọ kwa, otu onye ịnọ n'ikpo ọha na-ekwupụta okwu n'asụsụ ọzọ bukwa ihe na-echere mmadụ aka mgba n'ihi na onye ahụ mgbe ọ na-agbalị ka ya jalie ndị ngere ịkweta n'ihe ya na-ekwu bụ eziokwu, onye ahụ na-ewebatacha okwu ndị tara akpụ nke na mgbe ụfọdụ ọ raa ya ahụ ngụpụta na mkpọpụta ya n'ọgbọ. Dika Field siri kwuo ya, ihe na-eme ka emereme otu onye dị ire bụ site n'adimiike na nkwadote onwe onye. Okachasị adimiike nke ime mmụọ (Field, 2004) N'ihi nke a ndị nkwado ma ọ bụ ndị mgbagha na nrụrịtaụka nwere ike inwe nsogbu mkpọhie na ntaghari ọnụ ọ kachasị ma o chefuo otu ihe n'ime ihe ndị ọ kwadọrọ. Mana ọtụtụ mgbe, a na-enwe ihe dị iche n'otu nwoke na-eme nrụrịta ụka na nwaanyị na-eme nrụrịta ụka si enwe mkpọhie na ntagheri ọnụ. Nke a bụ maka na n'otu nwoke s asụpụta asụsụ ọsọ ọsọ abụghị ka nwaanyị sị asụpụta. Ya bụ

na mgbado ukwu nchọcha a bụ ịchọpụta ihe ndị ahụ digasị iche na mkpọhie na ntaghari ọnụ ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị, mgbe ha na-eme nrụrịta ụka.

Ihe ntagheri ọnụ na-ebute na nrụrịta ụka jurụ eju, bara abara. Asyura (2017) mere ka a mata na ọtụtụ mgbe na mkpohie ma ọ bụ ntegheri ọnụ na-abụ ihe mkpọ ọchị, nke na-eme ka a chịa onye ahụ ọchị n'ọha. Ọ na-emetụta onye ahụ nke nwere ike ime ka o chefuo ihe ọ chọrọ ikwu mgbe ahụ o bido tagheriwe ọnụ. Ọzọkwa, akpọpụtaghi mkpụrụokwu otu o kwesiri n'ọgbọ na-ebute mgbagwoju anya nye ndị ngere. Ọ bụ ihe ndị a kpatara ndị nchọcha jiri kpọọ ya mkpa ileba anya n'udi mkpọhie na ntagheri ọnụ a na-enwe na nrụrịta ụka. Onye ọbụla nwere ike ịkpohie ma ọ bụ itagheri ọnụ na mgbe onye ahụ atụghị anya . Itagheri ọnụ nwere ike ịbụ site na-edetechaghị ihe onye ahụ chọrọ ikwuputa n'ọha nke ọma, ma ọ bụ n' ebumnobi ya edochaghikwa ya onwe ya anya. (Dardjowidjojo, 2008; Mayari 2016) mere ka a mata na ikwu eziokwu, kwa mgbe kwa mgbe ka onye ọbụla nwere ike itagheri ọnụ mgbe onye ahụ na-ekwu okwu, onye ahụ nwere ike ime nke a na-amaghị ma na-achọpụtaghị na ya mere otu ahụ n'ihi n'uche ya adịghị na ya. Mkpọhịe na ntagheri ọnụ nwere ike ịbịa mgbe ọbụla n'oge ọbụla ma ọ bụ n'ọnọdụ ọbụla. Nsogbu ikwu okwu, ọkachasị mkpọghie bụ nke na-eme mmadụ mgbe onye ahụ atụghị anya, onye ahụ anaghịkwa ama mgbe o ji abịa. Ndị mmadụ enwekwaghị ike ikwupụta hooo haaa mgbe udi nsogbu a ji abịa n'ime mmadụ. Ya bụ na mkpọhie na ntagheri ọnụ bụ nsogbo nke ya nke na-esitekarị na akwadoghị ihe a chọrọ ịkwupụta nke ọma. Onye ahụ chọrọ ịkwu ọtụtụ ihe na nwantinti oge ma na mberede ọ dị ka e were ọkụ n'ụbụrụ onye ahụ nke mere na ihe ọ chọrọ ikwu abịakwaghị otu onye ahụ siri hazie ya. Ihe ọzọ ga-ewere oche bụ ntegheri ọnụ n'ọgbọ nke na-ebute oke ọchị na ndụ ndị ngere (Crus-ferreira 2007).

N'aka nke ọzọ, Fromkin et al (2006) na Zheng (2006) nwere ndị iche na ka ha si hụta mkpọhie ma ọ bụ ntagheri ọnụ.

Fromkin et al. (2006) hụtara ya dị ka ihe sitere n'ime mmụọ mmadụ apụta. Ima atụ onye obi mmapụ ga-enweriri ntagheri ọnụ mgbe ọ na-ekwu okwu n'ọha karịa onye chịkọtara onwe ya ọnụ.

Zheng (2006) kwuru nke ya sị na onye e ji ikwu okwu n'ọha mara ga-ekwupụta okwu nke ọma na-enweghi ntagheri ọnụ ọ kachasị ma ọ bụrụ na o ji asụsụ ọ mara nke ọma were ekwu ya. Ihe nke a pụtara bụ na ihe na-eme ka mmadụ tagheriwe ọnụ mgbe ọ na-ekwu okwu si n'ime mmụọ onye ahụ apụta. Ọ bụ mgbe mmadụ ji ekwu okwu ka onye ahụ na-aka atagheri ọnụ.

**Nsogbu Nchọcha**

Nsogbu nchọcha a gbasatara mkpọhie na ntagheri ọnụ onye ụjọ ji mgbe ọ na-eme nrurịta uka.

Ajụjụ nchọcha gunyere :

1. Kedu ka mkpọhe na ntagheri ọnụ si apụta ihe n'ọnụ ndị nrụrịta ụka?
2. Gịnị na-akpatara ndị nrụrịta ụka ntagheri ọnụ?

**Ebumnobi Nchọcha**

Ihe kpalitere nchọcha a bụ ihe ndị ahụ e deputara n'ajụjụ nchọcha, nke gunyere.

1. Ichọpụta mkpọhie na ntagheri ọnụ, nke ndị nrụrịta ụka na-enwe.
2. Igbarị ihe ndị na-akpatara ndị na-eme nrụrịta ụka inwe ntagheri ọnụ.

**Oke Nchọcha**

Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta ntagheri ọnụ a na-enwe na nrụrịta ụka site n'iji usoro amụmamụ nsi n'ụbụrụ leruo ya anya. Ya bụ n' ebe mgbado ukwu a no mee nchọcha a bụ na university of Nigeria Secondary. E lebara anya n'ihe na ebute tagheri ọnụ nke ụmụ akwụkwọ ndị maara asụ asụsụ Igbo nke ọma. Ndi e jiri mee ya bụ nrụrịta ụka n'asụsụ igbo nọ na-agbata afọ (19 – 22) ka a mata ka abụrụ nwoke na abụm nwaanyị si ebute ntagheri ọnụ. Ndi nchọcha lebara anya na ntagheri ọnụ ụmụ akwụkwọ site n'igere arụmarụ ụka di n'etiti otu abụọ mere nrụrịta ụka. O gere mgbagha niile otu abụọ ahụ mere.

E nwere ọtụtụ ihe nsogbu dị na ime nchọcha a. Nke mbụ bụ na ọ na-ewe oge. Oge e nwere iji mee nchọcha a pere mpe, naanị nkeji ole na ole. Nke ọzọ bụ ebe a nọ eme ya, ọ bụ n'ụlọ akwụkwọ ka a nọ eme ya. Nke atọ bụ ndị na-arụrịtaụka n'onwe ha. Ụfọdụ n'ime ha abụchaghị ndị ịsụ asụsụ Igbo doro anya nke ọma nke mere na isụpụta ya situchaara ha ike nke mere na-e nwere ọtụtụ ntagheri ọnụ.

**Uru Nchọcha**

Site n'ihe ndị anyị hụtara n' ebumnobi nchọcha a, ihe ndị a ga-eji nchọcha a mee gunyere.

Nchọcha a ga-eme ka etinye anya n' ihe ndị ga-eme ka a ghọtawanye atụtụ mkpọhie na ntagheri ọnụ dị ka e si ahụta ya na jenda. A tụrụ anya na nchọcha a ga-eme ka ndị na-amụ asụsụ nwewanya nka ọmụmụ asụsụ, ma meekwa ka ha belata ntagheri ọnụ mgbe ha na-ekwupụta okwu nke ga-eme ka nghọtahie a na-enweta mgbe mmadụ na-ekwu okwu belatakwa. E mee nke a, ọ ga-eme ka ndị obodo nweta ụzọ bara uru a ga-esi eme ka ntagheri ọnụ belata. Ndị nchọcha ọzọ ga-ejikwa ya were na-arụ ọrụ nchọcha ha. Ọ ga - eme ka e nwewanye ụzọ amụmamụ asụsụ ma burukwa ihe nrụtụ aka nye ndị nchọcha ọzọ.

**Oke Nchọcha**

Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ na University of Nigeria Secondary School, Nsukka dị n' Enugwu Steeti. Ihe kpatara e jiri họrọ ebe a bụ maka na ọ bụ ya bụ ebe a ga-anọ nweta njiatule a chọrọ nke ga eme ka e nwee ezi nọrọ lewe, ma belatakwa oke mmefu ego. Ọ bụkwa ebe ahụ dịịrị ndị nchọcha nsọ ịnọ mee nchọcha ha.

**Usoro Nchọcha**

Nkebi nke a na-akọwa ụzọ e siri nweta usoro nchọcha, njiatule, ihe ndi e jiri rụọ ọrụ, nakwa nsekasi data.

**Usoro Nchọcha**

Ihe amụmamụ a jiri nkọwasi were rụọ ọrụ. Ọ bụ ya mere na e gosipụtara ihe niile mere mgbe a na-achịkọta data. Ya bụ ihe ndị ahụ mere mgbe a na-enwe gbagha ma ihe niile e kwuru na mgbagha pụtara ihe. Ọchọcha kewara ntagheri ọnụ n'ụzọ dị iche iche, ọ chọpụtara ihe ndị na-akpata ya, o gosiputara ka ntagheri ọnụ si apụta ihe site na abụm nwoke na -abum nwaanyị. Ihe kpatara e jiri họrọ udi ụzọ nchọcha a bụ na ọ ga-enye anyị atụtụ ọhụrụ gbasatara ntagheri ọnụ a na -ahụta na ngalaba amụmamụ.

Nsi nuụbụrụ (psycholinguistic). Ya bụ na ọ bụ n'ụzọ dabara na amụmamụ nsinuubụrụ ka a ga-eji eme nchọcha a.

**Ngwa Nchọcha**

Ihe e jiri rụọ ọrụ a bụ (non participant observation). Ya bụ na ndị nchọcha esoghi n'ime nrụrịta ụka ahụ . Naanị ihe ọchọcha mere bụ ịlekwasị any ana ntegheri ọnụ nke ụmụ akwụkwọ na-eme nrụrịta ụka na atagheri. Ihe ndị ọzọ nyere aka inweta data bụ itinye olu ha na rekọọd, iji ekwenti see ha foto video. E mere nke a n'ihi na e nwere ike itinyegharị ha ma leelee mrụrịtaụka ahụ e mere ugboro ugboro. Ọ ga-egosikwa na ọchọcha mere nchọcha ya, rekọọd ahụ ga-akwado nchọpụta ndị ahụ.

**Usoro Nnweta Njiatule**

Otu e siri nweta data bụ site n'itinye ihe nrụrịtaụka ahụ niile e mere na rekọọd nke e jiri ekwe nti mee mgbe nrụrịtaụka na-aga n'ihụ.

Oge nrụrịtaụka ahụ were bụ nkeji iri anọ na ise. Mmadụ ole mere nrụrịtaụka ahụ dị asatọ n'ọnụọgụ.

**Ntulegharị Agụmagụ**

N' ịchọpụta ihe ndị ọzọ kwurula banyere isiokwu a nke kpalitere ọrụ nchọcha a, anyị ga-eleba anya n'ihe ndị ọzọ merele.

Ntulegharị agụmagụ gbadoro ukwu na amụmamụ nsinubụrụ, mmepụta asụsụ na mkpolie.

**Nsụnụụbụrụ**

Inda (2008) kowara (Nsụnụụbụrụ) Psycholinguistics dịka amụmamụ ka asụsụ na mmadụ si enwe mmetụta kwa ụbọchị na ndu mmadụ. Ya bụ na "Psycholinguistics" bụ nghọta banyere otu mmadụ si eji asụsụ arụ ọrụ site na nghọta asụsụ ahụ. Amụmamụ nsinubụrụ na Linguistiik abụghị otu ihe. Ebe. Linguistiik bụ amụmamụ asụsụ ma ọ bụ ọmụmụ asụsụ site n'ụzọ nke sayensi.

Amụmamụ nsi nuubụrụ bụ mpaghara sitere na Linguistiik. Ọ na-eleba anya ka mmadụ si eji asụsụ arụ ọrọ nke metụtara mpaghara nsinụụbụrụ. Ya bụ na nsinụụbụrụ na eleba anya ka e si eji asụsụ arụ ọrụ.

**Nmepụta Asụsụ**

Ngwa ngwa a mụrụ mmadụ, onye ahụ nwere ike imepụta ụda, ụda ahụ bụ ihe na-esite n'ụbụrụ apụta. Ụda nwere nghọta ka e ji emepụta asụsụ. O nweghị onye ga-ekwụpụta mgbe ọ malitere sụwa asụsụ. Ọ bụ ihe na-eji nwayoo abanye n'ime mmadụ. O nwere ihe ụfọdụ na-ebute ọgbata uhie mgbe a na-eji asụsụ arụ ọrụ. Ha gunyere:

**Mkpọhie : (Speech Error)**

Mkpọhie nwere ike ịbịa n'udi ntagheri ọnụ. Ọ bụ site na mkpọhie ka e si enweta data e ji arụ ọrụ na amụmamụ nsinuubụrụ. Ọtụtụ ndị ode edela ihe gbasatara isiokwu a bụ mkpọhie. Ihe a chọpụtara bụ na-anaghị etofe mkpọhie efofe. Ọ na-abịa mgbe a tụghị anya, tupu mmadụ e kwuo mkpuruokwu 1000, onye ahụ ga-eme mkpọchie ugboro 1 – 2. Ọ bụ ihe na-enye nsogbu. Mkpọhịe nwere ike ịbịa n'ogo dị iche iche nke gunyere: Ogo nkebiahiri (syntax) ogo mkpụmokwu (lexicon) ogo mofoloji na oge fonoloji

**Ụdịrị Mkpọhie e Nwere**

E nwere udịrị mkpọhie ndị a:

**Filled Pause:Fiild pọọs**

Dika Clark (1977) siri kọwaa, fiild pọọs bụ mgbe mmadụ na-ekwu okwu, mgbe ihe ọ chọrọ ịkwu gbapuru ya n'isi, o bido kwuwe em em em. Ọ bụ em em em ahụ ka o jiri dochie ihe ahụ gbapụrụ ya n'isi. Ọ bụkwa ya ka onye ahụ ga-emegide ganye na o cheta ihe ọzọ ọ ga-ekwu.

**Nkwugharị : (Repeat)**

Nke a bụ mmadụ ikwu otu he ugboro ugboro. Nke a na-apụta ihe mgbe onye ahụ chefuru ihe ọ chọrọ ikwu, ihe ọ ga-eme bụ ịkpọgharị otu okwu aha ugboro ugboro. Nkejiasụsụ a na-ekwugharị karị na-abụ mpuuzo: Ima atụ "na" "na" "na" njikọ, nnọchiaha, "ọ" "ọ" "ọ"

**Poos zoro onwe**

Ọ bụ mgbe mmadụ na-ekwu okwu ọsọ ọsọ, onye ahụ anaghị akpọpụtacha mkpụrụokwu otu, onye ahụ anaghị asụ nsụ mana ọ na-ekwu okwu ọkụ ọkụ. Ya mere na a gaghị anụtacha mkpụrụokwu niile ọ na akpọpụta. Pọọs onye ahụ na-ezo ezo n'ihi na maka na ọ na-ekwu ya bụ okwu ọsọ ọsọ ndị mmadụ a naghị ahụtacha mkpọlie ahụ nke ọma.

Site na nrụrịtaụka abụọ e mere, a chọpụtara ihe ndị na-ebute ntegheri ọnụ ndị na-eme nrụrịtaụka. Site n'ihe ndi e tinyere na rekọọd, a chọpụtara na nsogbu okeke na-enwe na nrụrịtaụka ka Okafor na-enwekwa na-agbanyeghi na ha mere nrụrịtaụka ha n'oge di iche iche. Isiokwu ha dikwa iche iche. Clark na Clark (1977:271) chọpụtara na e nwere ihe atọ na-agba ndị na-eme nrụrịtaụka mgba.

Ha bụ:

**Inye ha obere oge**

Oge ọbụla a na-eme mkparịtaụka, oge a na-enye na-adị nwankenke nke mere na onye na-ekwu okwu ga na-agba mbọ ka ọ kwuputachaa ihe ndị ahụ ọ kwadoro iji gosiputa na ihe ya na-ekwu bụ eziokwu. Onye ahụ ga na-azọ onwe ya azọ. Nke a bụ na uche ya ga-adị na nwa nkenke oge ahụ e nyere ya. Ọ na-asị ka ya gbalịa iji ekwuputacha ebumnobi ya tupu na oge ezuo. Ọzọkwa, ọ ga na-

agba mbọ ịkwuputa ihe ndị ahụ ọ kwadoro'ụzọ ahụ o siri detuo ya n'akwụkwọ kpọm kwem. Ọzụzọ a ọ na-azọ onwe ya ga-eme ka o chefuo ihe ọ chọrọ ikwu. Mgbe ahụ ọ tagheriwe ọnụ. O nwekwara ike ọ bụrụ na o kwadotechaghi ihe o ga-ekwu tupu ọ pụtawa n'ọgbọ.

**Iwebata okwu gbara ọkpụrụkpụ**

Onye ọbụla na-eme nrụrịtaụka na-achọ ka a si na ọ bụ nke ya kacha ma mma. Onye ahụ na-ewebatacha mkpụrụ okwu gbara ọkpụrụkpụ nke ọ ga-abụ ndị ngere na anụ ya ha asị na ọ bụ dike. Okwu ndị ahụ nwere ike bụrụ okwu ndị ọ naghị ejibu arụ ọrụ. Ihe ọ ga-ahụzị bụ na okwukata ebumnobi ya, ọ pụta n'etiti mmiri, ogwe agbajie. Ọ gaghị amakwa ka ọ ga-esi ewebata ọkpụrụkpụ okwu ndi ahụ. Nke a ga-emezi ọ gaghị amazị ihe ọ ga-ekwu o bido tagheriwe ọnụ.

**Obi mmapụ**

Ọtụtụ mgbe mmadụ kwadotecha ihe ndị ọ ga-ekwu na nrụrịtaụka, mgbe onye ahụ ga-apụtazị n'ọgbọ ka o kwuputa ihe ndị ahụ, o nwere ike obi amapụ ya nke ga-eme na ihe ndị ahụ niile ọ chọrọ ịkwu maka ya ga-esi ya n'isi pụọ mgbe ahụ ọ malite na-etibi anya ka onye mmiri na-eri. Obi mmapụ na-eme ka ihe niile onye nrụrịtaụka kwadotara kwasaa.

**Nchikọta**

Site na nchọcha e mere, anyị chọpụtara n'ezie na e nwere ndi iche dị na ntagheri ọnụ nwoke na ntagheri ọnụ nwaanyị. Na agbanyeghị mbọ niile ndị nchọcha gbara iji chọọ ihe a ga-eme ka a ghara idi na enweta ntagheri ọnụ mgbe a na-eme nrụrịta ụka, e nwetachabeghị ọsịsa nye ya bụ nsogbụ mana ndị ọzọ ga-eme nchọcha nwere ike gbado ụkwụ na nchọcha a were mee nke ha. Ọ ga-abụkwa ihe iba uru nyere ha.

**Nrụtuaka**

Allen, J (2000) "*The Freudian slip psycholoanalysis and textual representative*" Batlimore, MD: Johns Hopkina University Press.

Asyura , E (2017). "*Slip of the tongue: A Corpus-based study*" Amsterdam: John Benjamin publishing company.

Field, J. (2004). "*Psycholinguistics: The key concept*" New York: Routledge

Ferreira, C. (2007). "*Slips of the tongue: speech errors and psychology of language production"* Cambridge, MA: MIT Press.

Poulisse, N. (1999). "*Slip of tongue: speech errors in first and second language production*". Vol 20 John Benjamine publishing company.

Taylor, (1990)"*Psycholingusitics: Learning and using language*". New York: Prentic Hall International, Inc.